# MKPATARA ENWEGHỊ EZI NCHEKWA N'AGỤMAGỤ NDỊ A HỌỌRỌ: ỌGHỌM NA-ESO YA

**Juliet Ifunanya Okeyika**
**Ngalaba Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka**
**+2348060639119**
ji.okeyika@unizik.edu.ng

**&**

**Nkechinyere Nwokoye**
**+2348033833639**
**Ngalaba Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka**

**Ụmịedemede**

Enweghị ezi nchekwa bụ ihe cheere onye ọ bụla na obodo aka mgba n'ihu n'oge ugbua. Ọ bụ ọnọdụ na-egosi na ezi nchekwa adịghị. E meela nchọcha dị iche iche metụtara enweghị ezi nchekwa etu o siri metụta obodo na ebe dị iche iche mana ebumnobi nchọcha a bụ iji agụmagụ abụọ; *Anụ Gbaa Ajọ Ọsọ* (nke Ọfọmata) na *Ọkụkọ Ntị Ike* (nke Okeke),wee zipụta etu ndị odee siri tulee ihe na-akpata enweghị ezi nchekwa n'akwụkwọ ha ndị a họọrọ. Ọzọ bụ ịchọpụta ọghọm ha zipụtara n'ime agụmagụ ha nke na-eso enweghị ezi nchekwa. Nchọcha a bụ nchọcha nkọwa. Ọ bụ atụtụ Saịkoanalisis ka a gbasoro wee mee nchọcha a. A maara na ọ bụ mmadụ ka a na-arịa. Mmadụ na-eme, mmadụ ka a na-eme. Atụtụ Saịkoanalisis dabara na nchọcha a n'ihi na o nyere aka n'ileba anya n'etu ndị odee a họọrọ siri zipụta akparamaagwa ndị omekaome na-eme n'ihi na e nweghị ezi nchekwa n'obodo. Ọzọ bụ na o nyere aka n'ileba anya ihe kpatara ụdị agwa ha kpara nke butere enweghị ezi nchekwa dịka ọ dị n'agụmagụ ndị a họọrọ. A chọpụtara na enweghị ezi nchekwa enweghị ebe ọ dịghị. E nwekwara ihe na-akpata ya nke na-esi n'aka ndị omekaome. Ọzọ bụ na ọghọm na-eso ya bụ; ọnwụ, itufu akụnaụba, ịkwafụ ọbara, ịnọ n'oke ụjọ oge ọ bụla, emesapụghị ahụ na ịnọ n'iro. A chọpụtakwara dị ka etu ndị odee siri zipụta, na ihe na-eme ka ndị omekaome na-akpa mkpamkpa dị iche iche ndị na-eme na ezi nchekwa adịghị bụ; oke ọchịchọ, enweghị aka ọrụ, anya ufu, agụghị akwụkwọ na ihe isi ike. A na-atụ alo ka ọhanaeze mara na ezi nchekwa bụ oke na ọrụ dịịrị onye ọ bụla. Mmadụ ekwesịghị iche ka gọọmentị cheere ya ndụ ya nche n'ihi na onye arachaghị ọnụ ya, ụgụrụ arachaara ya. Nchọcha a ga-eme ka ndị ntorobịa mara na uru adịghị na tigbuo, zọgbụọ. Ọ ga-emekwa ka ha wepụ aka ha n'ihe ọ bụla ga-eme ka enweghị ezi nchekwa dị n'obodo.

**Ọkpụrụkpụ okwu; Enweghị ezi nchekwa, Agụmagụ, Atụtụ saịkoanalisis**

**Ndubata**

Enweghị ezi nchekwa na ọghọm na-eso ya jupụtara ebe niile n'oge ugbua n'ala anyị. Nke a mere ka a na-ahụta ala anyị dị ka otu n'ime obodo nke ihe ọjọọ jupụtara n'ime ya. Oge ụfọdụ, ọtụtụ ndị mmadụ ndị nọọrọ onwe ha n'achọghị nsogbu ọ bụla na-adabanye n'ọghọm nke si n'enweghị ezi nchekwa a. O nweghị onye ọghọm nke enweghị ezi nchekwa a hapụrụ; ọ hapụghị ogbenye nke o ji ahapụ ọgaranya. Ọ bụ ihe dị etu a kpaliri mmụọ nwanchọcha o were sị ka o lebaa anya n'isiokwu nchọcha a.

Dị ka a maara, ihe ọ bụla na-eme n'ụwa nke a nọ n'ime ya nwerịrị ihe kpatara ya. Etu ahụka o si dị n'ihe gbasara enweghị ezi nchekwa na ọghọm ya nke gosiri na o nwere ihe na-akpata ha. Enweghị ezi nchekwa nwere ike ịdị n'obodo, ezinaụlọ w.d.g. Mmadụ nwekwara ike ịchọpụta na o nweghị nchekwa onwe, nke a na-ebute ụdị onye ahụ ime ihe a ga-anụ gbachie aka na ntị. Oge ụfọdụ onye dị etu ahụ na-ewepụ ndụ ya n'ike ka o nwee ike "inwere onwe ya" na amaghị na ọ naghị ete aka o jiri dị njọ, ọ dịkwa mma.

Agụmagụ bụ ụzọ dị iche iche e si eji asụsụ ezipụta ebumnuche mmadụ. Ọ bụkwa ụzọ ndị odee dị iche iche si ezipụta ihe na-eme n'ụwa ọkachasi nke na-eme n'oge a nọ n'ime ya. Ọ bụ ihe dị etu a mere e ji asị na agụmagụ bụ enyo e ji ahụ ihe na-eme n'ụwa. Agụmagụ Igbo bụ ihe malitere oge ndị Igbo malitere. N'oge gboo, ọ bụ n'ọnụ ka ha na-akọ ya. Ndị Igbo na-esite n'agụmagụ egosipụta ebumnobi na echiche ha gbasara ụwa. Ogene (2010) kwuru na agụmagụ bụ ọrụ nka nke mmadụ na-esite na ya egosipụta mmetụta nke o nwere n'ebe ihe dị iche iche na-eme na ndụ. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ agụmagụ ka ndị Igbo ji ahụ ụwa nke ha nọ n'ime ya na ihe ndị dị n'ime ya. Mkpali nke ndị odee n'iji ya akụzị ihe na-eme na ndụ mere nwanchọcha jiri họọrọ isiokwu a, iji gosi ka ihe ndị dị etu a si metụta ndụ anyị nọ n'ime ya n'ụwa taa.

N'ime agụmagụ, e nwere akụkọ, ejije na abụ. Ndị Igbo bụ ndị na-esi n'agụmagụ ha egosipụta ebumnobi ha na echiche ha gbasara ụwa gbaa gburugburu. Ha na-egosi ngalaba agụmagụ ndị a n'ọnọdụ dị iche iche ha na-anọ na ndụ ha. Agụmagụ bara nnukwu uru. Ọ bụ ihe a na-elegara anya dị ka ihe obodo ji echekwaba nkwenye na usoro obibi ndụ ha. Nke a mere e jiekwu na agụmagụbụ ihe bara nnukwu uru n'ọgbọrọgbọdọ. Ihe nke a pụtara bụ na agụmagụ na-eleba anya n'ebe ihe gbasara ndụ nke metụtara ma ihe mere n'oge gara aga nakwa ihe na-eme n'oge ugbu a, ma na-enye aka n'ịkwalite mmadụ na ibe ya.

Enweghị ezi nchekwa bụ mgbe nchekwa gbara mpe na ndụ mmadụ, akụnaụba na obodo. Ọ na-eweta ọghọm dị iche iche. Otu n'ime ikikere nke mmadụ na-enwe n'obodo ọ bụla bụ ikikere nke nchekwa. Ọ bụ ya mere e ji etinye ya n'akwụkwọ ndebe iwu na-achị obodo ọ bụla. Mgbe nke a riri mperi, enweghị ezi nchekwa abata. Ọ bụ nke a mere e jiri kọwaa enweghị ezi nchekwa nke a kpọrọ *insecurity* n'asụsụ Bekee dị ka ihe ọghọm nke na-egosi anọghịzi etu esi anọbu. A gara n'ihu kwuo na ọ bụ ihe mberede na-egosi na ezi nchekwa adịghị. Ihe nkọwa a na-ezipụta bụ na enweghị ezi nchekwa nwere ike ịbụ ihe a tụbaghị anya na ọ ga-eme. Ọ bụ ihe mmadụchọghị ka ọ na-abịakwute ya n'ihi na ọ naghị ewetara mmadụ ihe ọzọ belụsọ ihe ịgba anyammiri.

Enweghị ezi nchekwa na ọghọm ya karịrị akarị n'ala anyị. Ọ dịchabụghị etu a na mbụ mana ihe isi ike, enweghị ọrụ nke ndị ntorobịa, ndị kwe na ndị ekweghị, ajọ ọchịchị gọọmentị jupụtara n'ala anyị, mere ka enweghị ezi nchekwa na-abawanye. Ihe a yitere

nkọwa DeMuth (1994:280) nyere banyere ihe enweghị ezi nchekwa pụtara. N'uche nke ya, ọ sị na enweghị ezi nchekwa bụ ihe égwù nke na-anapụ mmadụ ikike nnwere onwe. Ọ gbọrọ ihe ewu na-ata n'ebe a n'ihi na nke mbụ, ọ dịghị ihe na-eweta égwù karịa enweghị ezi nchekwa. Nke abụọ bụrụ na ọghọm enweghị ezi nchekwa na-eme ka mmadụ ghara imesapụ ahụ n'ebe ihe banyere ya dị. Ọzọ dị ka ibe ya bụ na ikike ngaghari onwe bụ ihe a ga-echefu n'ihi na ọ bụ onye dị ndụ na-achọ ikike nnwere onwe na ngaghariri onwe. N'agbanyeghị nnapụ ikike ndị a, e nwere ndị ka na-ahụta enweghị ezi nchekwa a dị ka oge ha jị enwetara onwe ha ihe ndị ha chọrọ. Ọ bụ ha na-eweta nsogbu ndị ahụ dị iche iche nke na-eweta ọnọdụ enweghị ezi nchekwa. Ndị dị etu ahụ, chezọrọ na," nwata sị na nne ya agaghị arahụ ụra, agaghịkwa arahụ ụra nke ya".

Enweghị ezi nchekwa dị ka Beck (1992:58) siri kwuo,bụ mgbe egwu dị ma nchekwa kọrọ na ndụ mmadụ, n'akụnaụba na n'obodo. Nkọwa dị etu a mere ka a mata na enweghị ezi nchekwa bụ ihe ga-abụ o metụha imi, ị mara na o metula ma ntị, anya na ọnụ. Ọ bụ ihe na-etinye egwu na ndụ mmadụ, akụnaụba o nwere, obodo na akụnaụba ya. Ọ bụghị ihe ga-abụ o mee mmadụ asị na onye ahụ o mere bụ onye mere arụ, kama ọ bụ onye nwere chi ọjọọ. Ezinaụlọ ma ọ bụ obodo ọ bụla ọ batara na ya na-anọ n'oke egwu n'ihi na ọ dịghị onye ma onye ọ ga-akpọ ihu. Oge ụfọdụ, onye ihe mberede nke enweghị ezi nchekwa na-abịakwute nwere ike bụrụ onye aka ya dị ọcha. Nke a bụ nke na-agbawa obi ma na-ewetara ezinaụlọ dị etu ahụ oke iru ụjụ. Ọ dịghị uru ọ bụla enweghị ezi nchekwabara. Naanị ihe a ga-eme wee belata ma ọ bụ kwụsị ya bụ igbochi ọghọm ndị ahụ nke ọ na-akpalị. Ihe nke a na-egosi bụ na ibelata ma ọ bụ ịkwụsị ọghọm na-eso enweghị ezi nchekwa bụ oke na ọrụ dịịrị onye ọ bụla maka ọdịmma mmadụ niile na nke obodo n'ihi na ebe udo dị ka ịhụnanya, ọganiihu na mmepe na-adị.

Ndị odee nke oge ugbua na-esi n'edemede ha dị iche iche akụzi ma na-emekwa ka a mata na enweghị ezi nchekwa, enweghị uru ọ bụla dị na ya. Ha na-ezipụta ọghọm, nsogbu, mmekpa ahụ na ọdachi dị iche iche ndịenweghị ezi nchekwa na-ewetara ụmụmmadụ, akụnaụba na obodo ndị gụnyere; ọnwụ ike, inweta aha ọjọọ (n'obodo), obi mmapụ, ịnọ n'oke ụjọ, mmerụ ahụ, ahụhụ dị iche iche na ndụ mmadụ, ịdakpo ụmụnwaanyị na emesapụghị ahụ. Nchọcha a ga-enye aka n'ịkwalite mmụọ ọhanaeze ndị Igbo ka ha na-enwe agụụ ịgụ akwụkwọ agụmagụ abụ, ejije na iduuazị n'agbanyeghị ogologo o toro ma gbakwa mbọ hụ na ha ghọtara isiokwu dị na ha.

**Nsogbu Nchọcha**

Dịka e kwuru na mbụ, enweghị ezi nchekwa dị n'ụwa gbaa gburugburu. Nke a na-ebute ọghọm dị iche iche nke jụpụtara ebe niile ma bụrụ ihe na-abawanye n'ike n'ike n'oge ugbua nke na-eme ka ndị dị ndụ chọọ ihe ọ bụla ha nwere ike ịchọta ka ha wee chekwaa ndụ ha na akụnaụba ha. Enweghị ezi nchekwa bụ ọnọdụ ọjọọ na ndụ mmadụ.

Ọ bụ eziokwu na a maara na enweghị ezi nchekwa na ọghọm so ya abụghị ihe ọhụụ na ndụ mmadụ, mana n'ihi nchọcha a na site na nchọpụta nwanchọcha mere, e nwebeghị nchọcha e mere n'oge gara aga nke e ji akwụkwọ agụmagụ abụọ ndị a họọrọ maka nchọcha a were mee nchọcha na ya banyere isiokwu nke a na-ede maka ya. Ihe ndị a bụ ihe kpaliri mmụọ nwanchọcha ime nchọcha n'isiokwu nchọcha a iji gosi etu akwụkwọ ndị a họọrọ siri ziputa enweghị ezi nchekwa na ọghọm so ya.

**Nnyocha Agụmagụ**Ọ bụ n'ebe a ka nwanchọcha kọwara etu nnyocha agụmagụ a ga-esi gaa. A bịa na nnyocha a, e kere ya ụzọ anọ. Ụzọ atọ ndị ahụ bụ ndị a; nnyocha nkọwa, nnyocha atụtụ na nnyocha arụmarụ. A bịaziri were nchịkọta wee mechie ya bụ

edemede. Okwu ma ọ bụ ọkpụrụkpụ okwu a ga-akọwa bụ agụmagụ na enweghị ezi nchekwa.

**Nkọwa ihe bụ Agụmagụ?**
Agụmagụ bụ ụzọ dị iche iche nke e ji asụsụ ezipụta gbasara ebumnuche mmadụ. Ọ bụ ihe mmadụ chepụtara gbasara ndụ na ihe dị iche iche na-emegasị n'ụwa, ihe ndị a na-ahụ anya na ndị anaghị ahụ anya, ihe mere eme maọbụ ihe emeghị eme. A na-ejikarị asụsụ nka achọ ya mma. O nwere ike ịdị n'ụdị ekwurunọnụ maọbụ ederede. Ọtụtụ ndị odee na ndị ọkammụta akọwaala agụmagụ n'ụzọ dị iche iche site na etu nghọta ha siri dị.

Ọgbalụ (1973) mere ka a mata na n'oge ochie, mgbe ndị Igbo anaghị ede ihe n'akwụkwọ, mgbe ha na-enwekwaghị ụzọ e si edepụta amamihe maka izi ụmụ ha ihe, na ọ bụ site n'agụmagụ ọdịnala ka a na-etinye amamihe dị etu ahụ nke ha chọrọ ka ụmụ ha nwee. Ihe nke a na-egosi bụ na ndị nne na nna na-esi n'akụkọ ifo enye ụmụaka ha nkuzi gbasara ndụ. Nkọwa a dabara n'ihe Chukwu (1989) kwuru. O mere ka a mata na agụmagụ ọbụla nwere ozi pụrụ iche ọ na-ezi. Ọ gara n'ihu kwuo na mgbe ọbụla mmadụ gechara ihe ndị a, na o nwere ụdị amamihe banyere ndụ nke onye ahụ ga-enweta. Nke a na-akọwa na agụmagụ na-abawanye echiche anyị.

Agụmagụ dịka Ogene (2010) si kọwaa bụ, ọrụ nka nke mmadụ na-esite na ya egosipụta mmetụ o nwere n'ebe ihe dị iche iche na-eme n'ụwa dị. Ihe nke a na-egosi bụ na agụmagụ nwere ike ịrụtụ aka n'ihe ọ bụla nke gbara mmadụ gburugburu. Ihe dị mkpa n'agụmagụ bụ na ọ ga-abụrịrị nke ga-eme ka ọgụụ maọbụ ndị na-ege ntị nwee obi ụtọ ma mekwaa ka ndị mmadụ na-amata ihe na-eme n'obodo.

Mbah, na ndị ọzọ (2013:2) kwụrụ ihe banyere agụmagụ. Ha kwụrụ na "agụmagụ bụ ọrụ nka a kọwapụtara n'ụzọ ederede maọbụ ekwurunọnụ bụ nke na-akọ maka ndụ na obibi ya". Nke a na-ezipụta agụmagụ Igbo dịka ihe e nwere ike ide ede maọbụ kwuo n'ọnụ ma bụrụ nke na-akọ banyere ihe na-eme na ndụ nakwa etu e si ebi ndụ.

**Nkọwa ihe bụ enweghị ezi nchekwa?**
Enweghị ezi nchekwa bụ ihe na-eweta mmekpa ahụ dị iche iche. Ọ bụ ozuru ụwa ọnụ ma bụrụ ọnọdụ na-egosi na nchekwa adịghị. Nke a na nkọwa Echeruo (2001: 223), bụihe mweta ụjọ nke na-egosi oghere n'ebe ezi nchekwa dị. Nkọwa ya gosiri na mgbe ezi nchekwa adịghị, na ọ na-enwerịrị ihe na-akpata ya nke ọ hụrụ dị ka ebe oghere dị. Oghere ahụ bụ ihe ọ ga-abụ e mechie, enweghị ezi nchekwa alaa, mana ọ bụrụ na e mechighị ya, ọ na-abawanye n'ihi na ọ bụ ihe kpatara nsogbu ndị ahụ na-akpata e ji enwe enweghị ezi nchekwa na ọghọm dị iche iche. Ndị ọzọ kwadoro nkọwa a Echeruo nyere banyere enweghị ezi nchekwa bụ Mbah na ndị ọzọ (2013:120). Ha kọwara ya dị ka "ihe na-echu ma nwata ma okenye ụra site n'iweta ọnọdụ ịnọ n'oke égwù na ike nkwụcha oge niile". Nke a bụ ezie n'ihi na ndụ mmadụ karịrị ihe e ji azụ ya. Mgbe mmadụ matara na ezi nchekwa adịghị, ọ ga-ebu ụzọ kee nkwụcha banyere ndụ ya n'ihi na ọ bụ mgbe mmadụ dị ndụ ka ọ ga-achọ ịkpa akụ ma chọọ etu ọ ga-esi echekwaba akụ ọ kpatara. Enweghị ezi nchekwa pụtara ọnọdụ egwu na ọnọdụ ụjọ. O nwekwara ike bụrụ edebeghị ihe etu dị mma. Nchekwa bụ mgbe ihe na-aga etu o kwesịrị n'obodo, n'akụnaụba na ndụ mmadụ.

**Nnyocha Atụtụ Edemede Nchọcha**
Atụtụ ka a kpọrọ *theory* n'asụsụ Bekee. Ọ bụ echiche ndị mmadụ banyere etu a ga-esi na-eme ihe. Echiche dị etu ahụ na-enye ntụziaka nye onye na-eme nchọcha, iji zipụta nchọcha ya nke ọma site n'ịgbaso atụtụ dabara nke ọma gbasara isiokwu a na-eme

nchọcha na ya. Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ Saịkoanalisis. Ọ bụ nke Sigmund Freud, n'agbata afọ 1856 ruo 1939. O mere ka a mata na Freud bụ dịbịa Bekee na-ahụ maka ahụ ike. Ihe kpaliri mmụọ ya o ji wee tụpụta atụtụ a bụ na mgbe ụfọdụ, ọ naghị achọpụta ọrịa nke na-arịa ọtụtụ ndị mmadụ bịara n'ụlọọgwụ. Ihe a mere o ji tụpụta atụtụ a site n'ịhapụ onye ahụ ka o bido kọba ihe niile gbasara ndụ ya nke gbatara ya n'uche. Oge onye ahụ na-arịa ahụ na-akọ ihe dị etu a, nwoke a ga-achọpụta nsogbu ndị ahụ dị ya n'uche nke ọ maghị maka ya, mana ọ na-apụta ihe na ndụ ya n'oge ahụ. Ihe atụtụ a na-arụ gụnyere ka ọgụgụ isi mmadụ si abawanye, ndokọ ya na ụdịrị akparamaagwa dị iche iche mmadụ na-akpa (ma nke onye isi dị mma ma nke onye isi ya ezughị oke). Ọ na-elebakwa anya na mmekọrịta dị iche iche dị n'etiti mmadụ na ibe ya. Otu n'ime ndị lebara anya n'atụtụ a bụ Alan (1992). N'ebe a, o kwuru na atụtụ Saịkoanalisis nke Sigmund Freud wepụtara metụgasịrị omume dum mmadụ na-eme, malite na mbido ndụ onye ahụ ruo mgbe onye ahụ kpawara agwa nwere ka ọ dị. Nke a gosiri agwa na-adịghị mma. Site na nkọwa ya, o mere ka a mata na e kere akparamagwa dị n'ime mmadụ ụzọ atọ. Ha bụ "*iid, ego na supa ego*". *Iid*na nkọwa bụ ihe dị n'ime mmadụ na-akpalite mmụọ onye ahụ ịkpa agwa dị ańaa nke nwere ike ịbụ agwa dị mma na nke adịghị mma. *Ego* pụtara mmụọ ahụ nọ n'ime mmadụ nke na-ahazi omume iid na-ewetara mmadụ ma ọ kachasi ndị dị njọ. Ọ bụ *ego* na-ebelata oriri warawara agụụ ime njọ nke *iid* na-enwe. *Supa ego* na-enye aka eme ka a mata na ezi omume dị mma ebe ajọ akparamaagwa nwere ahụhụ na-eso ya.

Atụtụ a bụ atụtụ na-eleba anya n'akparamaagwa mmadụ. Ọ bụ atụtụ Sigmund Freud wepụtara nke e ji amata ihe kpatara mmadụ ji enwegasị nsogbu ma nyekwaziere onye ahụ aka ịgabiga nsogbu ma ọ bụ nweta ụsa ihe kpatara nsogbu ji adapụtara onye ahụ. Mbah na Mbah (2007) kwuru na ndị na-agbaso atụtụ Saịkoanalisis lebara anya n'ịmata ka echiche mmadụ sị arụ ọrụ. E ji atụtụ a lebaa anya n'agwa dị n'akwụkwọ a na-agụ, echiche onye dere ya bụ akwụkwọnakwa echiche ọgụụ. Alan (1992), bụ onye ọzọ sị na atụtụ Saịkoanalisis nke Freud chọpụtara, metụtagasịrị omume niile mmadụ na-eme malite na mbido ndụ onye ahụ ruo mgbe onye ahụ kpabara agwa dị ańaa. Site na nkọwa ya, o mere ka a mata na e kere agwa dị n'ime mmadụ ụzọ atọ nke gụnyere "id", "ego" na "supa ego". *Id* bụ ihe dị n'ime mmadụ, nke na-akpalite agwa dị mma ma ọ bụ nke dị njọ. "Ego" bụkwa mmụọ ahụnọ n'ime mmadụ nke na-ahazi omume ebe "supa ego" na-enye aka ime ka a mata na ezi omume dị mma na ajọ akparamaagwa nwere ahụhụ so ya.

Kalat (2008) sị na atụtụ Saịkoanalisis na-eme ka a mara ihe mere mmadụ ji enwe nsogbu ma nyekwazie onye ahụ aka ịgabiga nsogbu ahụ maọbụ nweta ụsa ihe kpatara nsogbu ji adapụtara onye ahụ". Ihe dị etu a bụ eziokwu n'ihi na mgbe ụfọdụ mmadụ na-akpa agwa, ọ kachasị agwa adịghị mma, a na-ewe onye ahụ na o nwere ihe kpatara ya. O mekwara ka a mata na mmadụ nwere ụzọ ihe abụọnọ n'ime ya; nke mbụ bụ ihe onye ahụ maara nke abụọ bụ ihe onye ahụ amaghị. Ihe onye ahụ maara nwere ike ịpụta ihe oge ọbụla na ebe ọbụla, ebe nke onye ahụ amaghị nwere ike ịpụta ihe na nrọ maọbụ dapụta n'ọnụ mmadụ n'amaghị ama. N'ebe a, ọrụ atụtụ a bụ Saịkoanalisis bụ ime ka ihe ndị ahụ mmadụ amaghị maka onwe ya mana ọ dịn'ime mmadụ pụta ihe ka e were matazie maka ha. Freud kwenyere ihe égwù maọbụ omume ọjọọ dakwasara mmadụ oge ọ dị na nwata na-akpa agwa n'ime mmadụ n'agbanyeghị ma onye ahụ abụrụla okenye. Ihe dị etu ahụ anaghị ezo ezo na mmadụ.

Ihe gbasara igosipụta etu Saịkoanalisis si arụ ọrụ, ndị dị ka Mbah na Mbah (2007) kwuru na "ndị na-eji atụtụ Saịkoanalisis a, lebara anya n'ịchọpụta ka echiche mmadụ dị iche iche si arụ ọrụ". O lebakwara anya n'agwa dị n'akwụkwọ a na-agụ nakwa echiche

onye dere akwụkwọ ahụ, tinyere echiche ọgụụ, nke bụ echiche onye na-agụ ya. Ọ bụ ihe dị etu a mere na ederede ọbụla na-enwe ebe na ihe ọ na-arụtụ aka na ya.
Atụtụ a dị ka Kalat (2002), na-enye aka ime ka amata ihe mmadụ bu n'uche tinyekwuoro oge onye ahụ na-ekwu okwu. Ọ na-enyekwa aka ịkwalite omume mmadụ site n'ige onye na-akọ akụkọ maka ndụ ya ntị wee hụkwa ebe omume nke e mesoro onye ahụ oge o pere mpe si rie mperi ma nyekwa onye ahụ ndụmọdụ nke ga-edu ya ịga n'ihu n'ezi omume site n'ịgbazịrị onye ahụ. E nwekwara ọghọm dị n'atụtụ Saịkoanalisis nke bụ na oge ụfọdụ, mmadụ abụọ nwere ike nzipụta ha banyere ụfọdụ agaghị abụ otu n'ihi na atụtụ a na-agbadokarị ụkwụ n'ihe anaghị ahụ anya.

Dobie (2009) kwuru na site n'agbata afọ 1856 ruo 1939, na Freud malitere ịkọwa etu echiche mmadụ si arụ ọrụ nakwa etu o si ahazi ihe. Ọ sịkwa na Freud wubere atụtụ a n'ihi na ọ bụ dibịa na-ahụ maka ahụ ike mana n'oge ụfọdụ o nweghị ike ịchọpụta ụdị ọrịa onye ahụ na-arịa. A bịa n'iji usoro atụtụ Saịkoanalisis, ọ na-enye aka chọpụta ihe tinyere onye dị etu ahụ n'ụdị ajọ ọnọdụ ọ nọ n'ime ya. Nchọpụta ọzọ bụ na oge ụfọdụ na ọ bụ ajọ omume e mesoro mmadụ nwere ike ime mmadụ ọ dị ka ọ na-arịa ọrịa.

N'iji maọbụ gbasoo atụtụ saịkoanalisis wee nyochaa agụmagụ, Goring na ndị ọzọ (2010) kwuru na ọ bụghị naanị inyocha maọbụ tụlee echiche odee kama na ọ na-enye aka n'ịmata echiche dịgasị n'ihe e dere tinyere agwa dị iche iche ndị nọ n'ederede ahụ. Nke a dabara n'ihe Ryckman (2006) kwuru maka na ọ sị na atụtụ saịkoanalisis na-enye aka na nhazi omume dị iche iche mmadụ na-eme. Habib (2011) kwuru na atụtụ a Freud mebere, mere ka ihe niile mmadụ na-eche bụrụ ihe a gbara n'anwụ nke onye ahụ na-amaghị maka ya. Nke a bụ n'ihe gbasara iji atụtụ Saịkoanalisis wee lebaa anya n'agụmagụ. O mere ka a chọpụta ụzọ ndị a ga-esi mee ka ihe ahụ dị mmadụ n'uche nke na o nweghị onye maara maka ya bụrụ ihe pụtara ihe. Ọ sị na mmadụ anaghị amacha onwe ya, mmadụ anaghị aghọtacha onwe ya, mmadụ amaghị ihe kpatara o ji akpa agwa ụfọdụ maọbụ kwuo ihe ụfọdụ kama na o nwere ihe nọ n'ime mmadụ nke na-akwanye onye ahụ n'ihe ndị ahụọ na-eme onye ahụ amaghị maka ha.

**Nkenke Akụkọ Banyere Agụmagụ Ndị A Họọrọ**

***Anụ Gbaa Ajọ Ọsọ***

Ọ bụ akwụkwọ nke Ọfọmata Chinedum dere n'afọ 1994 (Ihu134). Ọ bụ akụkọ na-akọ maka nwoke a na-akpọ Ikpendụ. Nne na nna ya bụ Ọgụadịmma na Ọgọnna. Ha bụ ndị e ji ihe dị aṅaa were mara n'obodo ha bụ Apata. Ọbara dị etu a ka ha jiri mụọ nwa ha nwoke bụ Ikpendụ. Ikpendụ abụghị naanị ya ka ha mụtara. Ha mụtara ụmụ anọ mana abụọ nwụrụ anwụ, ọ fọzie abụọ; Ikpendụ na Ọzọemena. Ọ bụ Ikpendụ bụ nwa nke abụọ nne na nna ya mụrụ. Omume ya na nke nwanne ya nwoke dị iche iche. Ha abụọ anaghị eme otu ihe. Ihe e ji mara Ikpendụ bụ naanị ime ihe ọjọọ dị iche iche, ebe nwanne ya nwoke bụ nnọọ mmiri oyi. Nwoke a bụ Ikpendụ kpara mkpamkpa dị iche iche mere ndị obodo ya na ebe ọ bụla ọ gara ji anọ n'oke egwu oge ọbụla. Ọ maghị onye nwụrụ ụzụ akwa ya na-afịọ. Ikpendụ mekatara ihe ọjọọ, nke mere ọtụtụ ndị mmadụ ji eche na ọ naghị anwụ anwụ. Ọ hapụghị nne na nna ya aka. Ọtụtụ oge ka ọ na-alụso nna ya ọgụ n'ihi na o nyeghị ya ihe ọ nara ya. O nweghị ụdị ọgbaaghara nke omume ya anaghị ewetara ndị mmadụ. Ọtụtụ ụmụagbọghọbịa ji maka Ikpendụ, ha anaghịzi apụta apụta. Ọ na-edina ha n'ike. Ihe ndị a na ihe ọjọọ dị iche ka ọ na-eme n'obodo ha ma bụrụ ihe na-etinye ụjọ na ndụ ụmụ mmadụ. Ụbọchị ọ hapụrụ obodo ha gaa ugwu Awụsa na Bida ka ndị obodo ya kuru ume ndụ. Ikpendụ ruru ugwu Awụsa malitekwa mkpamkpa ya n'isi. N'ebe ahụ ka ọ malitere zụwa ndị otu ya bụkwa ndị ekperima ọjọọ ka ya. Ha na-eme ihe ọjọọ dị iche iche mere ka egwu na-atụ ndị ha nọ n'obodo ha oge ọbụla dịka; itikpọ ụlọ ngwa ahịa ndị mmadụ, ịnara ha ụgbọala ha

n'ụzọ refuo, ịnapụ onye ọbụla nọchịrị ha ụzọ ndụ ha n'ike n'abalị na igbu ndị nche na-eche nche. Ha anaghị eji anya ha ahụ ndị ọrụ nche na ndị uweojii. Ha na-abụ ndị izizi ha na-ebu ụzọ egbu oge ọbụla ha gara 'ọrụ' abalị maọbụ oge ọbụla ha gara ọrụ. Ndị na-azụ ahịa na Bida anọgidela n'ụjọ nke mere na ha na-akwụzi Ikpendụ ụgwọ ọnwa ka ọ na-ewelata aka n'ime ha ihe ọjọọ. Ihe ndị nwere ego na-emezi bụ ọnwa ọbụla, ha atụkọọ ego were kwụọ Ikpendụ ụgwọ ọnwa ka o were wepụ anya n'ebe ha nọ na kwa ebe ihe ha ji achụ ego dị. Mana ọnwụ mechara gbuo ya nke mere ka ndị Apata na ndị niile maara ya tulie mma ha elu n'ihi na ha chere na ala ga-adazi jụụ. Ọ bụkwa ọnwụ ihere ka ọ nwụrụ.
Ndị ahịa bata ozigbo gbaa ụlọ ahụ okirikiri.
Ikpendụ amaghị na ndị otu ya eburula ụgbọala

> gbaa ọsọ ndụ ha, hapụ naanị ya…ebelebe egbuola!
> Ozigbo Ikpendụ buuru akwa pụta ka ọ ga tinye
> n'ụgbọala ha, otu nwoke ndị ohi na-arụ afọ were
> mma kesaa ụbụrụ ya. Ikpendụ daa gwoo n'ala. Ọ
> bụrụla ọnwụ. Ha gbaa ya ọtọ, were akwa ya hichaa
>
> ọbara ya metụrụ n'ala ahụ. Ọfọmata (1994:68)

Mana ka Ikpendụ nwụchara, ka nke bụ ihe ọjọọ jiri wee malite ịrị ibe ya elu. Ebelebe malitere gbuwe nke mere ụfọdụ ndị mmadụ ji kwuo na ọ dịzị ka mkpamkpa nke Ikpendụ na-akpa mgbe ọ dị ndụ bụrụ nke ka mma. Ndị na-akpa mkpamkpa niile ahụ bụ ndị Ikpendụ na-azụ mgbe ọ ka dị ndụ. Aha ha bụ Chima na Chukwuka. Dimkpa abụọ a mụtara ọrụ ahụ nke ọma ma karịkwa nna ha ukwu emepụta ya ebe ọbụla ha nọ. Ha mechakwara nwụọ ọnwụ nke ha. Ọnwụ ndị omekaome a mere ka ebe niile daa jụụ n'ihi na ọ dighịzi ndị ga-emenye ha egwu ka ndị a ha gburu.

***Ọkụkọ Ntị Ike***

Onye dere akwụkwọ a bụ Okeke Jerry n'afọ 2009 (Ihuakwụkwọ 80). Ọ bụ akụkọ gbasara Obinna nke Maazị Asiegbu na nwunye ya bụ Ụkamaka mụrụ. Maazị Asiegbu agụghị akwụkwọ mana ọ ṅụrụ iyi na ụmụ ya niile ga-agụ akwụkwọ ma guruo ya n'isi. Nke a mere o ji kpebie na ebe ọ bụ na Obinna bụ naanị nwa nwoke ọ mụtara na ọ dịghị ihe ga-eme ka ọ ghara ịzụ ya n'ụlọakwụkwọ. Mbọ niile Asiegbu gbara ka naanị nwa nwoke ọ mụrụ bụ Obinna baa uru amịtaghị mkpụrụ. Obinna bụ onye bidoro n'oge were gosibe na ya achọghị ịbara onwe ya uru. Naanị okwu na ụka ka ọ na-achọ oge ọbụla. Ihe e ji mara ya n'ụlọakwụkwọ bụ ịchọ okwu na ịlụ ọgụ. Ihe ndị a ọ na-eme na-agbawa nna ya obi n'ihi na ọ bụghị ihe ọ tụrụ anya ka ọ na-ahụ. Echiche nna ya na ọchịchọ obi ya niile banyere nwa ya nwoke bụ ịzụlite nwa ga-abara ya na obodo ha uru, ọ bụghị nke ga-ala onwe ya n'iyi. Obinna agụrụghị akwụkwọ prịmarị ya n'isi were gbapụta. O mechara mewe ihe ọjọọ dị iche iche mere obodo ji mara na ihe mere n'imi memiri ememi. Obinna so na ndị omekaome na-ewetara ndị obodo ya mmekpa ahụ na égwù.

Ka ọkwa ya siri rịa n'otu nzuzo ahụ bụ ihe gbara ọtụtụ ndị otu ha gharị. Obinna na-akpọrọ ndị otu ya gaa izu ohi n'abali. …ha na-ejekwa ohi n'ụlọakụ. Igbu mmadụ anaghị adị ha ka ihe maka na ha na-eji anwụrụ osise na mmanya na-aba n'anya wee mee onwe ha ka ha si na mmadụ pụọ. (Ihu 59)
Nna ya gbasiri mbọ ike ma nwakwaa oko ya n'ebe ọ nọ ka o wee kwụsị ajọ omume wee bara onwe ya uru. Obinna mechara kachie ntị were aka ya kotere onwe ya okwu. Ndị uweojii jidekwara ya na ndị otu nzuzo ibe ya, a maa ha ikpe ọnwụ n'ụlọikpe. Ncheghari ya na mkpọrọ na ntụkwasị obi nke nna ya nwere n'ebe Chukwu nọ zọpụtara ya bụ Obinna n'ikpeazụ.

**Iji Atụtụ Saịkoanalisis Lebaa Isiokwu Nchọcha A Anya N'agụmagụ Abụọ A**

***Anụ Gbaa Ajọ Ọsọ***

Enweghị ezi nchekwa na ọghọm ya jụpụtara n'akwụkwọ agụmagụ a. Ndị omekaome; Ikpendụ, Chima, Chukwuka na ndị ha na-azụ ekweghị na ndị Apata, Ọnịcha na ebe niile ha zọnyere ụkwụ ga-ekuru mmiri tọgbọ iko. Aha ndị a na-abụ arụ nyere ndị nụrụ ha n'ihi na ọ bụ naanị ihe ọjọọ ka e jiri mara ha. Ikpendụ na ndị otu ya megidere mpụ dị iche iche nke na ndị uweojii na-ezekwa ha eze n'ihi na ha nụrụ na ha na-agwọ oke ọgwụ ma na-ememila onye ọbụla nyere ha nsogbu n'ụdị ọbụla.
Iji atụtụ saịkoanalisis mee ntụcha n'akwụkwọ a mere ka a chọpụta site n'etu odee Ofomata siri zipụta, na ọ bụ *iid* tinyere n'ime ndị omekaome ndị a, agụụ igbu ndị mmadụ tụmadị ndị ọrụ nchekwa so echekwa ha na iji egbe ezu ohi ka ha were nwee ego maka na ha nwekwara ike inwe ego n'ụzọ abụghị ụzọ ọjọọ maọbụ itinye ụjọ na ndụ ndị mmadụ mana ha achọghị. Kama ọ bụ obi ọjọọ na anya ukwu mere ha jiri cheta n'echiche ha ka ha na-eme ihe ndị a iji nwee ego ma zipụta na ezi nchekwa adịghị.

*Supa ego* nke batara n'ime ya mere ha (ndị omekaome) jiri gaa na nke dịbịa Ọkụrụọgwọọ n'Etuma ka ọ gwọrọ ha ọgwụ ka a ghara ijide ha n'ihe ha na-eme. Ọ bụkwa ya mere ha ji eji egbe eje ohi ka aka ghara ịkpara ha. Ya mere ha ji ebu ụzọ egbu ndị nche na ndị ọrụ nchekwa ndị ọzọ maka na ha ma na ọ bụrụ na ha hapụ ha na ha ga-ebu ụzọ gbaa maọbụ gbuo ha. Ha mataara na ihe ha na-eme bụ ihe ọjọọ mana ha achọghị ịnara ntaramahụhụ dịịrị ha.

***Ọkụkọ Ntị Ike***

Okeke (2009), ji Obinna na ndị otu ya were gosi ka ndị omekaome si akpa ike n'oge ugbua. Mmekpaahụ na egwu ha na-etinye ụmụ mmadụ n'ahụ bụ ihe na-egosi na ezi nchekwa adịghị. Mmadụ ekwesighị ịnọ n'ụjọ n'ihi na ọ hụrụ mmadụ ibe ya. N'ime akwụkwọ a, a hụrụ etu ndị mmadụ siri gbakọ, kụgbuo Echezọna n'ihi na o zuru ohi atụrụ. Ọ bụghị naanị ya jere ohi ahụ kama na ọ bụ naanị ya ka e jidere.
Ihe rapụtara Echezọna bụ ụbọchị ya na Obinna jere ohi atụrụ.

> …ha amaghị na ote nkwụ nọ n'elu wee na-ele ha. …mgbe nwa ote nkwụ ahụ ruru nso o were aka ya abụọ wee gụgbado Echezọna ya na atụrụ ahụ ọ kpụ n'aka ya. Mgbe nke a mere Obinna gbapụrụ ọsọ wee gbakpue ọhịa. Ka ote nkwu ahụ ji Echezọna aka ka o bidoro tiwe mkpu. Ndị mmadụ gbakọrọ wee were iwe kụgbue Echezọnao wee nwụa. (Okeke 2009:36)

Obinna bụ onye a ma ama n'ihi ihe ọjọọ dị iche iche ọ na-eme ndị gụnyere; ịkwasa nwaanyị iko n'ike, igbu mmadụ, na izu ohi. Ihe ndị ahụna-ewetara ndị ahụ o mekpara ahụ nsogbu nke na-eme ka ha nọrọ n'oke egwu. Ma na mahadum ebe o piobara, ọ na-eme ihe ndị a ma na-alafere. Ndị ọrụ nchekwa nọ na mahadum ahụ agaghị asị na ha amaghị maka ihe ya na ndị otu nzuzo ibe ya na-eme na mahadum ahụ. Ọ bụrụ na ha arụghị ọrụ ha, ọ bụ mmadụ nkịtị ga-arụrụ ha?

Iji atụtụ saịkoanalisis tụchaa ya, odee mere ka a mata na*iid* pụtara na ya. O gosiri na ọ bụ ya kpalitere mmụọ obi ọjọọ na isi ike n'ime Obinna nke mere ka ime ihe ọjọọ na-adị ya mfe. Ihe ndị ahụ niile ọ na-eme anaghị eri ya aka izizi n'ihi na e nwere ihe na-akụrụ ya egwu.
*Supa ego* dị na ya. Ọ bụ ya mere Obinna jiri gbaa ọsọ ndụ mgbe e jidere Echezọna ya na ya gara zuo ohi atụrụ. Ọ maara na ọ bụrụ na ndị ahụ jide ya, na ha ga-egbu ya etu ha siri gbuo Echezọna. Obinna mere ihe ọjọọ ma ọ chọghị ntaramahụhụ ihe ọjọọ o mere. *Supa ego* mere Obinna na ndị otu ya jiri were egbe na-eyi ụmụakwụkwọ egwu mgbe ọ bụla ha gara izu ohi. Ọ bụ ọrụ *supa ego* ime ka mmadụ kee nkwụcha oge

ọbụla. Ha ma na ụmụakwụkwọ dị ọtụtụ n'ọnụọgụnke mere na ha nwere ike imeri ha ma ọ bụrụ na ha ejighị egbe. Ọzọ, *supa ego* mere ka ọ bụrụ abalị ka ha ji akpa mkpamkpa, n'ihi na ha achọghị ka mmadụ hụ ha ma mara ndị ha bụ.

*Ego* gosiri onwe ya n'akwụkwọ a. Ọ bụ *ego* mere na Obinna chegharịrị mgbe e kpere ya ikpe ọnwụ, ghara ikwechiri dị ka onye ike ọ bụ. Ọ bụkwa ya mere o ji sị nna ya wetara ya akwụkwọ nsọ ya ka o nwee ike ịrịọ Chukwu mgbaghara. *Ego* nọ n'ime ya mere ka ọ chọọ ndụ ghara ịchọ ọnwu maka na ndị otu ya e kpere ya na ha ikpe ọnwụ otu oge ahụ, emeghị ka o nwere ihe na-achọ ime ha.

**Nchịkọta na Ihe Ndị a Chọpụtara**
Mmadụ ka a na-arịa. Enweghị ezi nchekwa na ọghọm so ya bụ mmadụ na-akpata ha. Ihe niile a na-egosi na ala adịghị mma. Enweghị ezi nchekwa bụ ihe na-egosi na udo adịghị. Ọ na-egosi na ezi nchekwa adịghị maọbụ na e nwere ihe e kwesiri ime nke e meghị. Enweghị obodo dị n'ụwa gbaa gburugburu nke gbanahụrụ ọghọm ya. Enweghịkwa nke ga-asị na nchekwa zuru oke na ya. Enweghị ezi nchekwa na-eme ka obodo nọọrọ n'oke egwu na mmekpa ahụ nke na-anapụ mmadụ ikike ime ihe maọbụ ịgagharị etu ọ chọrọ. O nweghị onye ọ hapụrụ; ọ hapụghị nwata nke o ji ahapụ okenye. Ma onye ukwu ma onye nta na-anụ ụda ya. Oge mbụ, ndị ọgaranya na-eche na ọ bụ naanị ndị ogbenye ga-aka taa ahụhụ sitere n'enweghị ezi nchekwa. Ndị ọrụ nche dị iche iche na-azọzikwa isi onwe ha n'oge ugbua. N'agbanyeghị egbe na ihe ndị ọzọ ha ji echere onwe ha, ndị omekaome ha na-emekpa ahụ, na-ebu ụzọ agbatu ha ma ha were anya ha hụ ha.

A chọpụtara na ọ bụ oke ọchịchọ, ajọ ọchịchị obodo, enweghị ọrụ, ihe isi ike, ekworo na anyaụfụ bụ ihe kpatara enweghị ezi nchekwa jiri jupụta ebe niile n'oge ugbua. N'ikwu eziokwu, e nwere ndị ọrụ nche obodo ma ọ dịghị ka ọrụ ha ezuchara oke iji nyere obodo na ọnọdụ a nọ n'ime ya aka. Ọzọ bụ na ọghọm na-eso enweghị ezi nchekwa dị ka ọ dị n'ime agụmagụ a họọrọ, bụ ọnwụ, ịnọ n'egwu na ụjọ, imebisi akụnaụba, imetọsịụmụ nwaanyị w.d.g.

Ndị odee akwụkwọ agụmagụ ndị a a họọrọ, ji akwụkwọ ha wee kụziere ọhanaeze ihe na-eme n'ụwa ugbua. Ha mere nke a site n'igosi na enweghị ezi nchekwa na ọgbaaghara ya enweghị uru ha bara. Ọgụụ ọbụla gụsịrị akwụkwọ ndị a ga-achọpụta na ndị odee a gbara ihe niile n'anwụ n'ime akwụkwọ ha gbasara etu e si ahụ enweghị ezi nchekwa na ọgbaaghara n'oge ugbua. Mbunuuche ha jiri mee nke a bụ ka ndị mmadụ kee nkwụcha gbasatara ichekwa onwe ha.  Ka ha hụta nchekwa ndụ na akụnaụba dịka oke na ọrụ dịịrị onye ọbụla ghara iche na ọ bụ ọrụ dịịrị naanị ndị gọọmenti. E jikwazị akwụkwọ ndị a adọ ọhanaeze aka na ntị ka ha mụrụ anya oge ọbụla n'ihi na obodo abụrụla igwe.

**Mmechi**
Iji agụmagụ akụziri ọhanaeze ihe na-eme n'ụwa dị oke mkpa. Nke a bụ ihe ga-enyere ha aka ike nkwụcha ma mara ihe ha kwesịrị ime mgbe ihe dị aṅaa mebere. O nweghị ihe ga-abụrụ ha ihe ọhụụ. Ha ga-amata mgbe ọdachị ga-abịara ha ma mata ụzọ ha ga-esi gbanahụ ya. Ọ dịkwa mkpa ka onye ọbụla nwee mmasị n'ịwalite agụmagụ ederede Igbo maka na ọ ga-enye aka ịhụ na asụsụ Igbo na-aga n'ihu. Ndị odee agụmagụ ederede ndị a, gbara mbọ wee zipụta enweghị ezi nchekwa na ọghọm ọ na-ewetara ụmụ mmadụ ma si n'ụzọ dị etu a mepee anya ndị mmadụ ịmata ọtụtụ ihe ga-enyere ha aka ma baara ha uru. Ihe nke a na-egosi bụ na nchọcha a mepere anya ọhanaeze ka ha mata na ọ bụ ihe mere, ede jiri bee nwii.

Site na nchọcha a, a tụrụ anya na ọ ga-enye aka ime ka ajọ ihe na-eweta enweghị ezi nchekwa n'obodo kwụsi, maka na uru adịghị n'ime ya. Ọ bụrụ na onye ọbụla sonye n'inyere onwe ya aka, site n'ịhapụ ịga ebe o kwesịghị ịga ma mee ihe o kwesịrị ime, ọ ga-eme ka obodo dị mma ma nyekwa aka iweta udo na agamnihu nke na-eme ka ụjọ na ịtụ oke egwu n'obodo laa.

## Edensibịa


Akporobaro, F.B. (2012). *Oral Literature*. Legọọs: Princeton Publishing Company.
Arohunnolase, O. (2000). "The Sociology of Literature: Issues in Literacy Theories and
Literature in Nigerian Languages" na JONALC, Volume 2, June. Ihu 14.

Burton, H.M. (1962). *Guides to English Literature.* London: Cox na Wyman.

Dike, A.I. na Imo, G. (2007). *Nchịkọta Akwụkwọ Igbo.* Ọnịcha: Mis-Fab.
Dobie, A.B. (2008). *Theory into Practice. An Introduction to Literary Criticism. (3rd Ed.).*
Boston: Wadsworth.

Emenanjo, E.N. (1997). *Ọmalinze. A Book of Igbo Folktales*. Ibadan: Oxford Press.

Emenyeonu, E. (1978). *The Rise of the Igbo Novel*. Ibadan: University Press.

Ekwealor, C.C. (2008). *Agụmagụ Ederede Igbo n'Ozuzuoke.* Nsụka: Paschal

Ezeuko, R.O. (2009). *Ewumewu, Omenala na Nkwenye Ndị Igbo*. Mkpọọ: Mass Founders
Publication.

Gwynn, R.S. (2002). *Literature: A Pocket Anthology.* New York: Addison Wesley.

Ifeagwazi, P. na Okafọ, C. (2006). *Nka Edemede Igbo.* Ọnịcha: Mid-field Publishers.

Ifeka, O.R. (2009). *Mkpanaka Asụsụ Igbo Izugbe*. Owere: Top Shelve Publishers.

Kalat, J.W. (2008). *Introduction to Psychology.* (8th Ed). Boston: Thomason Wadsworth.
Mbah, B.M. na Mbah, E.E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo Literature and Stylistics.*
Nsụka: University of Nigeria Press.

Mbah, B.M., Mbah, E.E., Ikeokwu, E.S., Okeke, C.O., Nweze, I.M., Ugwuona, C.N., Akaeze,
C.M., Onu, J.O., Eze, E.A., Prezi, G.O., Odii, B.C., (2013). *Igbo Adị*. Enugwu: University
of Nigeria Press.

Nwadike, I.U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nsuka: Ifunanya Publishers.

Nwadike, I.U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo*. Nimo: Rex Charles na Patrick.

Obiechina, E. (1973). *Literature and Sociology*. Birmingham: Hawap Press.

Ọfọmata, C.E. (2001). *Anụ Gbaa Ajọ Ọsọ*. Enugwu: Format Publishers.

Ogene, S.O. (2010). *Literary Appreciation*. Enugwu: Noli Educational Press.

Ogbalu, F.C. (1973). *Ndụ na Omenala Ndị Igbo.* Ọnịcha: University Publishing Company.

Ogbe, N.G. (1997). *Essentials of Literature*: *A Comprehensive Approach to Literary Appreciation*. Enugwu: Gabrace Optimal Ventures.

Ogbuagu, J.O., Anedo, A.O., Udemmadu, T.N. na Udechukwu, G.I. (2012). *Amụmamụ Ụtọasụsụ na Agụmagụ Igbo*. Enugwu: Format Publishers.

Okeke, C.J. (2009). *Ọkụkọ Ntị Ike*. Ọnịcha: Edumail Publications.

Okodo, A.I. (1992). *The Study of Literary Terminology and Appreciation.* Ọnịcha: Footmarks.

Rychman, M.R. (2006). *Theories of Personality.* USA: Thomson Wadsworth.

Scwarz, C. (1995). *The Chamber's Dictionary*. Edinburgh: Chambers Harrap Publishers.

Ụzọchukwu, S. (2004). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Legọọs: Sam Orient.

Welleck, R. na Warren, A. (1956). *Theory of Literature (3rd ed).* New York: Harcourt Brace and World.

Worthen, W.B. (2004). *The Wads Worth Anthology of Drama.* Singapore: Seng Press.